**Ngalaba mkpọku ọrụ:**

I na-eji maọbụ i jirila ọrụ enyemaka ụmụnwaanyị Dundalk n'ụzọ ọbụla? Ị ga-achọ ka i nyere anyị aka wee hazie ọdịnihu ọrụ a? Ọ bụrụ na i nwere mmasị, biko kpọọ anyị na: 042 9333 244.

**Atụmatụ Nchekwa:**

I nwe atụmatụ nchekwa nke gị, ga-azọpụtanwu gị na ụmụ gị. O ga-enyere gị aka n'ihazi ihe i nwere ike ime wee gbatịa nchekwa ma gbochie ụjọ. I nwere ike i leba anya n'uju n'ụfọdụ ihe ndị a:

Kpọọ ndị uweojii maọbụrụna a majara gị maọbụ na ị na-atụ egwu mmaja.

Kwakọnye akpa ihe mberede maka gị na ụmụ gị ma tinye ngwongwo dịka: akwa, ego, igodo, ọgwụ ahụike na akwụkwọ dị oke mkpa gụnyere: asambo ọmụmụ gị na ụmụ gị, kad ahụike unu, paspọt unu, kad sochal welfe, ọnụọgụ PRSI, ikike ịkwọ ụgbọala. Debe ihe ndị a n'ebe ọ gaghị efunahụ gị maọbụ i nye ya onye ịtụkwasịrị obi ka o debere gị nkeọma. Chemie echiche banyere ebe ị chọrọ ịga mgbe i kpebiri ịpụ.

Nke dị mkpa: Echegbula onwe gị maọbụrụna o nwee ihe ị hapụrụ wee pụọ, makana nchekwa gị bụ ihe izizi.
Nchekwa gị nwere ike ị dabere ná nkwadobe nzipụta gị.

**Kpọọ ndị ụlọọrụ enyemaka ụmụnwaanyị Dundalk, ha ga-enyere gị aka n' ịkwado maka ihe mberede.**

PO Box 60
Dundalk, Co. Louth
Office number 042 9333 245
info@womensaiddlk.net

# Women's Aid Dundalk SERVICES

## Ekwentị enyemaka awa iri abụọ na anọ:

## 042 9333244

**womensaiddundalk.net**

TÚSLA
An Ghníomhaireacht um Leanaí agus an Teaghlach
Child and Family Agency

LOUTH LEADER PARTNERSHIP
Building Community & Enterprise

Comhairle Contae Lú
Louth County Council

An Roinn Forbartha Tuaithe agus Pobail
Department of Rural and Community Development

**Ekwentị enyemaka awa iri abụọ na anọ:**
Nke a na-enyefe nkwado kemmetụta obi, ozi ma nye ntuziaka n'inweta ezi onye ndabere maara ihe banyere ahụmihe mmegbu /mkpagbu nchịkwa.

**Nkwado 1-2-1:**
Nke a na-enyefe nkwado kemmetụta obi, ozi ma nye ntuziaka na nnweta ezi onye ọrụ ndabere a zụrụ nkeọma ga-ezute gị ihu na ihu.

**Nsogbu nnabata:**
I nyefe ezi nnabata ga-enye gị ohere ikute ume. Nwaanyị ọbụla ga-abụ onye a ga-enye onye ọrụ ga-enyere ya aka n'ileba anya na mkpa ya dị iche iche, mkpa ụmụ ya na atụmatụ ọdịnihu ha. Ndị ọrụ e nyere ọzụzụ, ga-akwado ụmụnwaanyị site n'inyefe ozi, ntuziaka, nduzi na ezi ndabere mgbe a chọrọ ya.

**Nkwado mgbata enyemaka:**
I nyefe nkwado enyemaka n' Omeath, Carlingford, Dundalk, Ardee, Dunleer na Tallanstown. Maka ị hazi onye mkpọku, ị kpọọ: 042 9333 244.

**Ọzụzụ na mgbasa ozi mmata:**
Enyemaka ụmụnwaanyị Dundalk ga-enyefe ọzụzụ na nkuzi agụmaakwụkwọ pụrụ iche n'ebe otu dị iche iche iwu hibere na nke si na ndị wepụtara onwe ha nọ. Anyị na-ahazi emume nkuzi banyere mmegbu/mkpagbu nchịkwa ná mgbatị otu ọgbọ ọbụla. Ha niile bụ nke ga-eleba anya ná mkpa gị n'uju. N' otu aka ahụ, o nweghị otu ọgbọ ọbụla buru oke ibu maọbụ pee mpe.

**Nnweta ọdụahịa ọrụ ebere:**
Ire ma nwe akwa ọhụrụ dị etu esi chọọ, akụrụngwa na ngwongwo ụmụaka ji egwuri egwu.

**Nkwado ụlọ owuwu:**
Enyemaka ụmụnwaanyị Dundalk na-enyefe ụmụnwaanyị na ụmụaka nkwado maka mkpa ha ma nyekwazie ha ebe obibi nwere nchekwa. Ndị bi n'ụlọ ha nwere onye ọrụ ga na-ezi ha ozi, nkwado, ntuziaka na ezi onye ndabere nwerela mmetụta ihe gbasara mmegbu/mkpagbu nchịkwa, ibi n'ụlọ, ihe gbasara iwu, ahụike, akụ na ndị ọzọ.

**Ọrụ ụlọikpe maka ọgbaaghara mmegbu:**
Enyemaka ụmụnwaanyị Dundalk nwere ọrụ ụlọikpe kwudosiri ike ma na-enyefe nkwado, ozi, ntuziaka na ndabere banyere ụbọchị iwu ezinụụlọ. Maka ozi ndị ọzọ, kpọtụrụ ekwentị enyemaka awa iri abụọ na anọ, kpọọ: 042 9333244.

**Projeet ime ama egwuregwu:**
Inyefe ọtụtụ ọrụ maka ụmụaka na ndị na-etolite etolite gụnyere: krech mpaghara obodo, ụlọakwụkwọ ụmụ akwụkwọ topụtara na emume nsote ụlọakwụkwọ, nkwalite ndị ntorobịa na nkwado ọgwụgwọ nke gụnyere: ọgwụgwọ igwu egwu na ọrụ akụkọ ndụ, nkwado 1-2-1,enweghị mmekpa (ụlọakwụkwọ nachọnal) na ịtụ anya nsọpụrụ(ụlọakwụkwọ sekọndịrị).

Mmasị anyị bụ ịkwalite ọnọdụ ebimndụ ụmụaka na ndị ntorobịa ná mpaghara ebe obibi site n'inyefe nkwado kemmetụta obi na agụmakwụkwọ, ntuziaka na onye ndabere ụmụaka na ndị ntorobịa.

**Nkwado na ozi ezinụụlọ na ndị enyi:**
Inyefe ozi na nkwado maka ezinụụlọ na ndị enyi n'ebe ụmụnwaanyị na ụmụaka nọ bụ nke pụtara ihe site ná mkpali mmegbu na mkpagbu nchịkwa. Kpọtụrụ anyị n'ọnụọgụ enyemaka awa iri abụọ na anọ anyị:
042 9333 244.